# Ike Ụwa Kwuru ka Mmadụ Nwee

In commemoration of the *Fiftieth Anniversary of the Universal Declaration of Human Rights (1948-1998)*

# Ike Ụwa Kwuru ka Mmadụ Nwee

# Ike Ụwa Kwuru Ka Mmadụ Nwee

A TRANSLATION OF THE UNIVERSAL DECLARATION OF HUMAN RIGHTS

*Into*

# IGBO

# IKE ỤWA KWURU KA MMADỤ NWEE

Ka ọnwa iri na abụọ di na nkpụrụ ubochi iri n'afo 1948, Ọgbakọ Ọha nke Otu Jikọtara Ụwa nabatara bịakwasị mee ka ụwa niile mata Ike Ụwa Kwuru Ka Mnadụ Nwee, nke ihe niile di n' ihe ahụ e kwuru ga-apụta n'ọtụtụ ibeakwụkwọ n'eso ugbua. Site n'oke ihe ncheta ahụ e mere, Ọgbakọ Oha ahụ kpọkuru obodo niile dị n'Otu Jikọtara Ụwa ka ha gbasaa ihe niile dị n'Ihe E Kwuru bịakwasị "mee ka a gbasaa, gọsị, gụa bịakwasị kụzie ihe ahụ e kwuru tụmadị n'ụlọ akwụkwo na ọtụtụ ụlọmmụta ndị ọzọ, n'agbanyeghị ọkwa obodo ọbụla n'ihe gbasara ọchịchị."

**OTU JIKỌTARA UWA**
Mbanaga Maka Mgbasa Ozi

# IKE ỤWA KWURU KA MMADỤ NWEE

## ỌKWU MMALITE

Ebe ọ bụ na inwe nsọpụrụ maka ugwu na nhatanha nke ọtụtụ ike agaghị anapụ anapụ nke iwu nyere mmadụ niile bụ ya bụ isi n'ihe gbasara enweghị nmekpaahụ, na iso ụzọ kwụ ọtọ eme ihe na udo n'ụwa,

Ebe ọ bụ na agbanyeghị na enweghị nsọpụrụ maka ike iwu nyere mmadụ butere ọtụtụ ajọ omume wutere ụwa niile, ọzọkwa imalite uwa ohuru ebe ndi mmadu ga-enwe ike ikwu maọbụ kwenye ihe masịrị ha bịakwasị ghara inwe egwu maọbụ agụụ abụrụla ihe e kwuru kasị elu n'ihe ndị mmadụ chọrọ,

Ebe ọ bụ na ọ di mkpa, ka iwu chedo ọtụtụ ike e nyere mmadu, ka e were ghara inunye mmadụ n'isoro ụzọ inụpụ isi, mgbe amazighi ụzọ ọzọ a ga-eso, buso ọchịchị aka ike na mmewu ọgụ,

Ebe ọ bụ na ọ dị mkpa ka a kwalite agamnihu n'ihe gbasara mmekọrịta enyi na enyi nke obodo na ibe ha,

Ebe ọ bụ na ndi Otu Jikọtara Ụwa kwenyekwara ọzọ n'ime Akwụkwọ Iwu ha n'ọtụtụ ọkpụrụkpụ ike iwu nyere mmadụ, n'ugwu na uru mmadụ ma na nhatanha n'ike ıwu nyere nwoke na nwanyị bịakwasị nwee mmụo siri ike maka ikwalite agamnihu obodo na ime ka ndụ n'ato utọ karia etu ọ di na mbụ n'enweghị mmkpa ahụ.

Ebe ọ bụ na Ndi Obodo di n'Otu Jikọtara Ụwa kwere nkwa, site na ha na ya ijikọ aka, ikwalite inwe nsọpụrụ maka ọtụtụ ike iwu nyere mmadụ ma ọtụtụ iwu gbasara enweghị mmkepa ahụ,

Ebe ọ bụ na nghọtakọrita maka iso ofu uzọ ghọta ọtụtụ ike na ọtụtụ ohere ndịa kasị mkpa maka ịmezu nkwa a e kwere,

Ugbua, n'ihi nkea, Ọgbakọ Ọha a eweputa

IKE ỤWA KWURU KA MMADỤ NWEE

nkea

dika ihe ọmụmaatụ mmadụ niile na obodo niile mere, ka onye ọbụla na otu ọbụla n'obodo, site na n'iburu Ihe a Ekwuru n'obi mgbe dum, gbaa mbọ site na nkuzi na ọzụzụ ikwalite isọpụrụ ọtụtụ ike na ọtụtụ ohere ndịa bịakwasị site n'iji nwayọọ nwayọọ n'obodo na ụwa niile, fụ na a nabatara ha n'akụkụ ụwa niile, ma na be Ndiotu Otu Jikọtara Ụwa ma n'obodogasị dị n'okpuru ha.

## AKỤKỤ-IWU MBỤ

A mụrụ mmadụ niile nkeọma n'enweghị onye bụ ọrụ bịakwasị ha dum nwere nhatanha n'ugwu ma n'ike iwu nyere ha. Ha nwere akọnụche na mmụọ bịakwasị ha ga na-eji obi nwanne na nwanne were n'emeso ibe ha.

## AKỤKỤ-IWỤ NKE ABỤỌ

Onye ọbụla nwere ike niile na ohere niile e dotara n'Ihe a E kwuru, n'enweghị nkewa ọbụla, dika ụdị akpụkpọahụ, asụsụ, okwukwe, ọnụmmiri okwu nke si na ndọrọ ndọrọ ọchịchị obodo maọbụ ụzọ ọzọ, ala maọbụ ebe onye si, akụ, ọmụmụ mmadụ maọbụ ụdị okwa ọzọ.

Nkeọzọ, a gaghị enwe nkewa ọbụla megide mmadụ n'ihi etu ihe siri kwụrụ n'obodo ya n'ihe gbasara ndọrọ ndọrọ ọchịchị obodo, ụzọ e si ekpe ikpe maọbụ mmekọrịta obodo na ibe ha, n'agbanyeghị na obodo ahụ nwe onwe ya maọbụ na o no n'okpuru obodo ọzọ maọbụ ụzọ ọzọ inwere onwe ya siri ghara izu oke.

## AKUKU-IWU NKE ATỌ

Onye ọbụla nwere ike ibi ndụ, ohere ime ihe masịrị ya na nchedo nke onwe ya.

## AKỤKỤ-IWU NKE ANỌ

Ọ dịghị onye a ga-ejide dịka oru maọbụ nwaokpuru, a ga-amabido inwe oru na ịtụ mgbere ọrụ n'ıwu n'ụzọ ọbụla.

## AKỤKỤ-IWỤ NKE ISE

Ọ dịghị onye a ga-eme ka ọ taa afụfụ akaje maọbụ meso ya n'ụzọ obi ọjọọ, ita afụfụ ekwesighị mmadụ maọbụ ụzọ mkpari.

## AKUKU-IWU NKE ISII

Onye ọbụla nwere ike si n'iwu na a ga-anabata ya dịka mmadụ n'ebe ọbụla.

## AKỤKỤ-IWU NKE ASAA

Mmadụ niile nwere nahtanha n'ebe iwu di ọzọkwa iwu chedoro mmadụ dum n'agabnyeghị onye ukwu maọbụ onye nta. Mmadụ niile nwere nhatanha na nchedo megidoro nkewa mebiri Ihe a E Kwuru bịakwasị nwee nchedo megidoro ịlanyelụ ndị mmadụ ka ha bute nkewa.

## AKỤKỤ-IWU NKE ASATỌ

Onye ọbụla nwere ike inweta ihe ntasi obi site n'aka nke ọtụtụ ụlọikpe zuru oke n'obodo mgbe e nwere omume megidere ọtụtụ ọkpụrụkpụ ike akwụkwọ iwu ọchịchi obodo maọbụ iwu ọzọ di n'obodo nyere ya.

## AKỤKỤ-IWU NKE ITEOLU

Ọ dịghị onye ọbụla a ga-ejide, maọbụ tụọ ya mkpọrọ maọbụ chụpụ ya n'obodo n'ụzọ n'ezịghi ezi.

## AKỤKỤ-IWU NKE IRI

Onye ọbụla nwere nhatanha n'ihe gbasara inụ ọlu ya, n'uzo kwesiri ekwesi n'ihu ọha n'ụlọikpe, nke anaghị eze ndu, n'ikpebi okwu gbasara ike na ọrụ iwu nyere ya maọbụ ihe ọjọọ o mere a na-ekpe ya ikpe maka ya.

## AKỤKỤ-IWU NKE IRI NA OFU

1. Onye ọbụla a na-ekpe ikpe nke ọ ga-atara afụfụ nwere ike iwu nyere ya na a ga-ewere ya ka onye aka ya dị ọcha gaanye mgbe e kpegburu ya n'ihu oha dịka etu iwu siri debe mgbe e nyesiri ya ihe niile dị mkpa maka izọ onwe ya.

2. Ọ dịghị onye a ga-ama ikpe maka omume ga-ebute afụfụ n'ihi ihe e mere maobu ihe e meghi nke a bụghị ihe ọjọọ mgbe e mere ya dịka etu iwu obodo maọbụ iwu metụtara obodo na ibe ya siri dị mgbe e mere yabụ omume. A gaghịkwa enye afụfụ karịa etụ iwu siri dị mgbe e mere yabụ omume ọjọọ.

## AKỤKỤ-IWU IRI NA ABỤỌ

O dịghị onye a ga-esoro ụzọ ezighị ezi gbochiere inwe ihe nzorum maka ndụ ya, ezinụlọ ya, be ya na nderitaleta, etu ahụ ka ọ dị na a gaghị akpachara anya mebie aha maọbụ ugwu ya. Onye ọbụla nwere nchedo site n'iwu megidere imabanye n'ihe n'agbasaghi mmadụ maọbụ imegide mmadụ n'ụzọ n'ezighị ezi.

## AKUKU-IWU IRI NA ATỌ

1. Onye ọbụla nwere ike ịga maọbụ ibi ebe sọrọ ya na gburugburu obodo ọbụla.
2. Onye ọbụla nwere ike irapụ obodo ya, bịakwasị nwee ike ịlọghachị obodo ya.

## AKỤKỤ-IWU IRI NA ANỌ

1. Onye ọbụla nwere ike ịchọ na inwe nchedo n'ala ọzọ mgbe ọ na-agba ọsọ ndụ.
2. E nweghị ike iji ike a e nyere mmadu maka ngbapụ me ihe mgbe a na-ekpe mmadụ ikpe esighi n'ihe gbasara ndọrọ

ndọrọ ọchịchị obodo maọbụ mgbe a na-ekpe mmadụ ikpe maka omume megidere ọtụtụ ihe Otụ Jikọtara Ụwa kwụ na ya.

## AKỤKỤ-IWỤ IRI NA ISE

1. Onye ọbụla nwere ike na ọ ga-enwe obodo bụ obodo ya.

2. Ọ dịghị onye ọbụla a ga-anapụ ibụ onye obodo ya n'ụzọ n'ezighị ezi etu a ka ọ di a gaghị akwụsị mmadu ịgbanwe obodo ya.

## AKỤKỤ-IWU IRI NA ISII

1. Ụmụnwoke na umụnwanyị burụgoro mmadụ, n'agbanyeghị ihe mgbochi ọbụla n'ihi ebo, ala maọbụ okwukwe, nwere ike ilụ di na nwunye biakwasị nwee ike imalite ezinụlọ. Ha nwere nhatanha n'ike n'ilụ di na nwunye, mgbe ha na-alu di na nwunye na mgbe ha gbasara alụmdinanwunye.

2. Ilụ di na nwunye ga-amalite site na nkwekọrita na ejighị mmanye nke mmadụ abuọ ahụ ọ gbasara.

3. Ezinụlọ bụ ya bu isi mbido otu di ọkpụtọrọkpụ n'obodo, nkeọzọ ọ bụ ọrụ obodo na gọọmentị ichedo ya.

## AKỤKỤ-IWU IRI NA ASAA

1. Onye ọbụla nwere ike inwe ihe sọ nanị ya maọbụ ya na ndi ọzọ.

2. A gaghị eso ụzọ ezighị ezi napụ onye ọbụla ihe o nwere.

## AKỤKỤ-IWU IRI NA ASATỌ

Onye ọbụla nwere ike iche echiche etu masịrị ya, inwe mmụọ na okwukwe nkẹ ya; ihe di n'ike a bụkwuazị ike ịgbanwe okwukwe ya maọbụ ihe o kwenyere na ya, na ohere, ime nanị ya maobu ya na ndi ọzọ ijikọ aka na ezoghị ezo maọbụ na nzizo, imepụta okwukwe ya maọbụ ihe o kwenyere na ya site na nkuzi, omume, ofufe na ịsọpụrụ usoro ha.

## AKỤKỤ-IWU IRI NA ITEOLU

Onye ọbụla nwere ike inwe ọnụmmiri okwu nke ya na ikwu ihe masiri ya; ihe dị

n'ike a bụkwuazị ohere inwe ọnụmmiri okwu n'enweghị mgbochi na ike ịchọ,, nabata biakwasị kụziere ndi ọzọ ihe site n'ọtụtụ ụzọ e si agbasa ozi n'agbanyeghị oke obodo na ibe ha.

## AKỤKỤ-IWU IRI ABỤỌ

1. Onye ọbụla nwere ike iga ọgbakọ na otu abụghị nke ọgba aghara.

2. O nweghị onye a ga-amanye ka ọ di n' otu ọbụla.

## AKỤKỤ-IWU IRI ABỤỌ NA OFU

1. Onye ọbụla nwere ike isonye n'ọchịchị nke obodo ya, site na ya onwe ya maọbụ site n'aka ndị nnọchịte anya e jiri obi ọcha rọpụta.

2. Onye ọbụla nwere ike inweta ọrụ ọha n'ala ya.

3. Uche oha ga-abụ ihe ọchịchị gọọmẹntị ga-agbado ụkwụ; ụzọ a ga-esi gosị uche

ọha a ga-abu site n'ọtụtụ ezigbo ịtunye akwụkwọ a ga na-enwe kwa mgbe kwa mgbe n'obodo dum n'agbanyeghị oke maọbụ nwunye bịakwasị a ga na-enwe ịtunye akwụkwọ ahụ site n'usoro nzorom maọbụ usoro dị etu ahụ.

## AKỤKỤ-IWU IRI ABỤỌ NA ABỤỌ

Onye ọbụla, dịka onye bi n'obodo, tosiri inwe nchedo obodo bịakwasị o tosiri inweta, dịka aka ra obodo ọbụla, ọtụtụ ike n'ụzọ akụ na ụba, mmẹkọrịta, omenala nke dị oke mkpa maka ugwu ya na maka agamnihu onwe ya nkeọma, site na mbọ obodo na ijikọ aka obodo na ibe ha.

## AKỤKỤ-IWU IRI ABỤỌ NA ATỌ

1. Onye ọbụla nwere ike maka irụ ọrụ, ịchọrọ ụdị ọrụ masịrị ya, ezigbo ọrụ na nchedo megidere enweghị ọrụ.

2. Onye ọbụla, n'enweghị nkewa ọbụla, kwesịrị inwe ofu ụdị ụgwọ ọnwa maka ofu ụdị ọrụ.

3. Onye ọbụla n'arụ ọrụ tosịrị inwe ezigbo ụgwọ ọnwa nke ga-ezuru ya na ezinụlọ ya na nkeoma bịakwasị, ma ọ dị mkpa, nwee ihe ntụkwasa si n'aka obodo.

4. Onye ọbụla nwere ike ibido na ibanye otu ndiọrụ maka ichedo ọtụtụ ihe gbasara ya.

## AKỤKỤ-IWU IRI ABỤỌ NA ANỌ

Onye ọbụla nwere ike maka inwe ezumike na inwe añụrị, ma ibelata onuọgụgụ elekere ole ọ na-arụ ọrụ ma ikwu ya ụgwọ mgbe ọ gabara njẹm ezumike.

## AKỤKỤ-IWU IRI ABỤỌ NA ISE

1. Onye ọbụla nwere ike maka inwe ndụ ụtọ zuru oke maka ahụike na ọdinma ya na nke ezinụlọ ya, ma nri, akwa, ụlọ na nnekwa mgbe ahụ adịghị, ma enyemaka obodo, nkeọzọ o nwere ike maka nchedo n'oge ọrụ adịghị, oge arịrịa, ahuezughioke, oge ajadu, nka maobu enweghị ka o ha ụdị ọzọ, mgbe amaghị ihe a ga-eme.

2. Oge ịbụnne na ịbụnwatakịrị tosiri inwe mkpachapụ anya na enyemaka pụrụ iche. Ụmụntakịrị niile, ma a mụrụ ha mgbe a na-alụ di ma a mụrụ ha mgbe a nọghị na di, tosịrị inwe ofu ụdị nchedo nke obodo

## AKỤKỤ-IWU IRI ABỤỌ NA ISII

1. Onye ọbụla tosịrị inwe mmuta. A ga-enwe ịgụ akwụkwọ akwụghị ụgwọ, na o peka ya bụrụ n'oge ntaakara na oge a no n'obere ụlọ akwụkwọ. Iga obere ụlọakwụkwọ ga-abụ iwu. Ọzụzụ ọrụaka na ọzụzụ mmụta ndi-ọzọ ga-adi, nkeọzọ a ga-eme ka ọgụgụ akwụkwọ nke dị elu lute ndị tosịrịnụ aka.

2. A ga-eme ka mmụta bụrụ maka ịzụpụta mmadụ zuru oke biakwasị bụrụ maka ime ka inwe nsọpụrụ maka ọtụtụ ike na ohere iwu nyere mmadụ siwanye ike. Ọ ga akwalite nghọtakorịta, elee a ghara na ime enyi nke ọtụtụ obodo na ibe ha, ebo maọbụ ọtụtụ otu ụka, biakwasị kwadosie ọtụtụ ihe Otu Jikọtara Ụwa n'eme maka inwe udo n'ụwa ike.

3. Ọ bụ nne na nna nwere ike ibu ụzọ kwuo ụdị mmụta ụmụ ha ga-enwe.

## AKỤKỤ-IWU IRI ABỤỌ NA ASAA

1. Onye ọbụla nwere ike sonye n'ejighị mmanye n'emume omenala obodo, inwe añuri n'ụzọ ihe e ji acho mma na ihe e ji enwe añụri bịakwasị sonye n'ikwalite agamnihu ụzọ e si mụta ihe ohuru bịakwasị so rite uru ya.

2. Onye ọbụla tosịrị inwe nchedo n'ihe gbasara ezi omume na uru si n'ihe nchọpụta, ihe e derede maọbụ ihe ichọ mma na ihe e ji enwe añurị o zopụtara.

## AKỤKỤ-IWU IRI ABỤỌ NA ASATỌ

Onye ọbụla tosịrị inwe ezigbo udo n'obodo na n'ụwa ebe a ga-enwe ike mezuo ọtụtụ ike na ohere e dotara n'Ihe a E Kwuru.

## AKỤKỤ-IWU ABỤỌ NA ITEOLU

1. Onye ọbụla nwere ọtụtụ ọrụ o ga-arụ n'obodo ebe ọ bụ nanị ma ya ka a ga-enwe inwe ike ịzụpụta ya nkeoma bịakwasị nwee agamnihu ya zuru oke.

2. N'imezu ike ya na ohere niile e nyere ya, a ga-ebelata nku onye ọbụla nanị ka o siri dị mkpa ka iwu mee ka e nwee nsọpụrụ na nchedo maka ike na ohere nke mmadụ ndị ọzọ bịakwasị maka ọdịmma na udo n'obodo na maka ọdimma nke oha n'obodo e nwere ọchịchị oha na eze.

3. Ọtụtụ ike na ohere niile a adịghị nke a ga-emezu n'ụzọ ọbụla megidere ihe niile Otu Jikọtara Ụwa kwụ na ya.

## AKỤKỤ-IWU IRI ATỌ

O dịghị ihe ọbụla n'Ihe a E Kwuru a ga-ewere na o pụtara na o nyere obodo ọbụla, otu maọbụ onye ọbụla ike ime ihe ọbụla ga-emebi ike na ohere ọbụla e detora n'ime ebea.

We acknowledge with thanks the translation into Igbo by Dr. Jonathan A.O. Ifechukwu

*Produced by:* The United Nations Information Centre, Nigeria (UNIC)
Tel: 2694886
*Printed by:* Sup-Del Prints & Co. Ltd. Tel: 824807, 82387